# NNWOGHAPỤTA KÀỌ̀BỤ̀ ÒKÌKÈ?
## Jenesis 1:1-31; 2 Pita 3:1-14
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 92 – Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na nime Ya ka ekère ihe nile, nke di nime elu-igwe na nke di n'elu-uwa, ihe apuru ihu anya na ihe anāpugh ihu anya, ma-ọbu oche-eze, ma-ọbu ibu ndi-nwe-madu, ma-ọbu ibu-ndi-isi, ma-ọbu ichi-isi; esitewo n'aka-Ya kè ihe nile, ekèwo-kwa-ra Ya ihe nile" (Ndi Kọlọsi 1:16)**

**I Ikike ahụ Kachasị -- Okwu Chineke**

1. Chineke amataworị na ndụ mmadụ bụ ihe gbagọrọagbagọ O wee mee ka Okwu Ya pụtazie ìhè, Jọn 1:3; Mak 10:6; Ndị Rom 1:20; Ndi Kọlọsi 1:16
2. Ike Chineke ka ọtụtụ mmadụ jụworo, Abù Ọma 53:1; Ndị Rom 1:21-25
3. Ọtụtụ mmadụ naagba mbọ̀ ịbụ orù nke nna abụọ -- òzízí nke nnwoghapụta ahụ na Baịbụl, Matiu 6:24; 2 Pita 2:12

**II Ndị ọchị n'Ụbọchị Ikpèazụ̀**

1. Anyị aghaghị agọnarị ọlụ òkìkè nke Chineke, ma were ikwu na ọ bụ "ihe ndaba," dochie ya, I Ndi Kọrịnt 15:38-41; Jenesis 1:1-31
2. Anyị apụghị ịgọnarị eziokwu ahụ banyere ọdịda nke mmadụ, Jenesis 3:1-24
3. Òzízí niile nke mmadụ nke anaanwapụtaghị ka emere ka ha pụtaìhè ma jụ kwa ha, 2 Pita 3:1-14

**III Nnwapụta Dị ka Oge Naaga**

4. Amamihe mmadụ ka Chineke náagụghị n'ihe, I Ndi Kọrint 1:19-21; 2:6-8; 3:19, 20; Jemes 3:15
5. Baịbụl gaabụ onye ndú na ikiké anyị, Eklisisastis 12:14; Nkpughe 22:18, 19

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ikiké nke Baịbụl**

N'ebe nwa Chineke nọ onye nwapụtaworo ike mgbanwe nke Mmụọ Nsọ, onye ritawokwara urù na mkwà niile nke ekwere n'Okwu Chineke, otù ahịrị nke Akwụkwọnsọ dịka nke a, "Na mbu Chineke kère elu-igwe na uwa," ga abụworị ọ̀zịzá zuruókè ịkọwa mmalite nke mmadụ na mmalite nke ụwa. Ma ndị náekweghị ekwe, ndịọchị na ndị náeme omume ọgbasaghị ha ka agaeme ka ha mata nzuzu nke nchépụta nke òzízí mmadụ nye ha. Nke a mere na obi ndịọchị naaga n'iru ijueju n'ime ihe ọjọọ, ikwenyere ụgha na ime ka ya na Chineke dị n'iro; "N'ihi na itukwasi uche n'anu-aru, ya na Chineke di n'iro; n'ihi na edogh ya n'okpuru iwu Chineke, n'ihi na apugh kwa ido ya n'okpuru ya" (Ndi Rom 8:7).

**Ekwenyeghị Na Chineke Dị**

O nweghị ọnọdụ enyere Chineke n'òzízí nke nnwoghapụta. Otù onye nime ndị òzízí nke nnwoghapụta nke mgbe ochie sịrị "Ọ bụrụ na ịnabata Chineke n'otù ebe ị kwesịkwara ịnabata Ya n'ihe niile." Ọ bụrụ na ihe onye nnwoghapụta naakpọ "nghọta banyere Chineke" bụ ihe agaanabata maọlị, ọ bụ, ihe dị ka chi nnwogha: "Chineke, ihe ekèrèekè, maọbụ ụwa niile -- bụ otù ihe ahụ n'ebe ha nọ." Ụfọdụ mmadụ naekwupụta na mmadụ bụ Chineke. N'okwu Ya, Chineke naagwa anyị na ụfọdụ mmadụ gaagọnarị Ya: "Onye-nzuzu asiwo n'obi ya, ọ digh Chineke ọ bula di."

Otù ụzọ onye nke náezi òzízí nnwoghapụta naajụ Chineke na Baịbụl Ya sị na ọ dịbeghị mgbanwe ọ bụla dị na ya, ọ dịghị ọga n'iru dị n'ihe gbasara Chineke, na n'ihe edere n'Akwụkwọnsọ bụ nke edere dịka ndị nnwoghapụta naekwu, "mgbe anaamaghị Science (mmụta nke ihe omimi)." É-è; o nweghị mgbanwe ọ bụla dịworo, n'ihi na izuòkè nke Chineke na izuòkè nke Okwu Ya sitererị na mbụ. Ọ dịghị kwa mkpà ka ha nwee mgbanwe.

**"Ndị Nnanna Sitere n'Énwè"**

N'ọtụtụ ụlọakwụkwọ dị icheiche anaagwa ụmụntakịrị na ha sitere n'énwè; òzízí nke nnwoghapụta ka ana ahụ n'ebe niile; na adịghị anwapụta Baịbụl dịka anaanwapụta (Science) mmụta nke ihe omimi n'ọgbọ a. Ọtụtụ mmadụ nwere mgbagwojuanya ma bụrụ kwa ndị eduhieworo site n'òzízí a; Baịbụl bụ kwa ihe anaeleda anya;

Satan achọtawo ụzọ kachasị mfé ịdọrọ ndị mmadụ pụta n'ebe Chineke nọ. "Ha gēchigharị kwa ntị ha ka ha ghara ịnụ eziokwu, ma ha gējehie nāntị akụkọ-iro."

**Ihe Bụ Isiokwu**

Ndị náekweghị na Chineke na ndịọchị enweghị mmasị ná arọ̀ ole ụwa dị dịka ha nwere n'ihe banyere "mmalite nke mmadụ." N'ihi na nke a gaeweta mkpebi nye ajụjụ ahụ niile anaajụ ma enwere Onye òkìkè dị Nsọ nke kèrè ụwa dum. Ndị òzízí nke nnwoghapụta niile amaara aha ha bụ ndị náekwenyeghị na Chineke. Ha sị na ha gaechefu ihe ọ bụla gbasara na emere ka mmadụ "di ala nke ntà karị ndị mo-ozi," na agaamụ ihe banyere ya dịka esi amụ ihe banyere "nwa chịnchị ọhụụ." Ọ bụghị ihe dị mfé ikwu ma ha bụ ndị náekwenyeghị na Chineke n'ihi na ha bụ ndị òzízí nke nnwoghapụta maọbụ ndị nnwoghapụta n'ihi na ha bụ ndị náekwenyeghị na Chineke.

**Ijikere Ikwenyere Ụgha**

Nime ihe dịka narị arọ iri na iteghete (19) laa azụ̀, enwere "nsụbata nke obi abụọ dịka mmiri." Eji iheọ̀mụ̀mụ̀ nke mmụta nke ihe omimi (science) dochi ọnọdụ Chineke. Otù nwoke naekwu na ya naatụ egwù ikwere na Chineke n'ihi óké nsọpụrụ ya nye mmụta nke ihe omimi (science). Ndị gbakutara Chineke azụ̀ nọ n'ọnọdụ ziriezi ịnara òzízí Darwin nke edepụtara n'arọ 1859 nke isi okwu ya bụ "Siterị Ná Mmalite, Ihe niile Dị Icheiche Nwere Mmụọ Nke Nrọrọ Dịka Ọlụ Òkìkè Sị Dị." Ọbụná otù onye nime ndị náezi òzízí nnwoghapụta kwenyere na "mgbe náadịghị anya amalitere òzízí nke nnwoghapụta ahụ n'eluụwa na mmadụ igbu onweya gbasara gburugburu Obodo England na Ọdịdaanyanwụ Europe." Ọzọ mgbe ọ bụla òzízí nke nnwoghapụta naaga n'iru ọnwụ nke imemmụọ naesochi ya.

**Enweghị Ọdị da**

Dịka onye òzízí nke nnwoghapụta naekwu ọ dịghị mkpà ọ bụla Onyenzọpụta dị n'ihi na ọ dịghị mgbe ọ bụla mmadụ daraada. Ha sị na mmadụ naaga n'iru n'iru mgbe niile. Ha kwenyere n'okwu ụgha:

**"N'aghụghọ niile kwa nke ajọ-omume n'ebe ndi nāla n'iyi nọ; n'ihi na ha anaraghị ihu-n'anya nke ezi-okwu nke-ọma, ka ewe zọputa ha.**
**"N'ihi nka Chineke nēzite-kwa-ra ha ilusi-ọlụ-ike nke njehie ka ha kwere ugha ahu" (2 Ndi Tesalọnaika 2:10, 11).**

**Akọwara Nnwoghapụta**

Nnwoghapụta ka otù onye nime ndị náakwagide ya kọwaworo dịka otù usoro nke náaga n'iru mgbe niile n'ebe osisi niile na anụmanụ niile dị n'eluụwa dum nọ.

Eji ya náakọwa itóetó niile. Ọtụtụ ka eduhieworo site n'okwu a bụ "nnwoghapụta." Ha kwere na ọ pụtara ụzọ dị mfé nke ọgan'iru nke itóetó dịka osisi oak isi ná mkpụrụ ya topụta, awọ isi na nwaawọ topụta, erekerembụba wee tórue wee si ná esu (caterpilar) pụta, ụdị ntà nke mmadụ wee ná etóetó wee tórue mmadụ. Ụdị nnwoghapụta nke a bụ eziokwu, ma ọ bụghị ụdị nnwoghapụta nke ndị náeso Darwin naekwusa. "Nnwoghapụta," dịka anaeji ya akparịta ụka n'ebe dị icheiche n'oge a naegosi otù usoro nke emeworo dịka ihe ana ahụ́anya si dị, ọ bụghị site n'inyeaka nke ọlụ ebube nke Onye Nsọ ọ bụla sitere n'eluigwe, nke mere na site na nnanna ha nke biworo na mmiri nke otù osimiri dị n'ebe dị anya ka esitere na ya nwe ihe niile nwere ndụ taa n'eluụwa niile. Ọ bụ dịka usoro nke ana ahụ́anya si dị gaeme ka nnụnụ niile, azụ niile, anụ náakpụakpụ dị icheiche, anụmanụ dum, ènwè niile na mmadụ dum, gaachọpụta usoro ọ̀mụ́mụ́ ha site ná mmalite dị ntà nke ha jiri malite ịdị ndụ site n'ọtụtụ narị puku arọ garaaga.

**Ọgbọ Nke Malitere Namberede**

Mgbe anaajụ otú mmalite ahụ dị ntà siri malite, onye òzízí nke nnwoghapụta ahụ naekwu na ya amaghị. Ma o siiri ya ike nke ukwuu ịsị na Chineke kèrè ya. Ọ pụtara namberede, bụ ihe o kwuru – site n'ọgbọ nke malitere namberede, nke bụ na ndụ pụtara site n'ihe nwụrụanwụ. Ọ gbaliwo kwa ịkọwa ya na ịsị na ụdị ikuku ndụ anọ anaakpọ -- carbon, hydrogen, nitrogen na ozygen -- ndịa gbebara nime onweha namberede ma gbawaa, na iheọzọ pụtara na nke a bụ na mgbe ọtụtụ ndè arọ̀ gasịrị ndụ ahụ nke malitere ná ntakịrị toro ghọọ mmadụ. Ma ọ dịghị ekwu ebe ikuku ahụ si pụta.

Òzízí ahụ banyere ọgbọ nke malitere na mberede ka ọtụtụ ndịisi nke mmụta nke ihe omimi (science) rapụworo n'ihi na emewo ọtụtụ ihe nchọpụta banyere imepụta ndụ ma ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ ịsị na ya nwereike imepụta ndụ. Ndụ gaesi náánị ná ndụ pụta. Na Baịbụl anyị naagụpụta ebe ndụ si pụta: "JEHOVA, bu Chineke, we were ájá sitere n'ala kpu madu, O we ku ume ndu nye n'oghere-imi-ya abua: madu ahu we ghọ mkpuru-obi di ndu" (Jenesis 2:7).

**Ndị Ná adị ghị Eguzo N'otù Ebe**

Ọ dị ụfọdụ ụmụokorọbịa na ụmụagbọghọbịa, ndị agadị ndịkom na ndịnyom na ndị mkwusa, ndị chọrọ isoro ndị "oké-mmụta n'ebe ihe mmụta nke ihe omimi dị (Science) ma ha enweghị mmasị n'òzízí nke iheọ̀mụ̀mụ̀ na mmadụ sitere n'ènwè. Ha naekwu na ha kwenyere na ọ bụ Chineke kèrè ụwa dum, ma ha chọrọ ijikọta mkwenye ha n'ebe mmụta nke ihe omimi dị (science) ya na mkwenye nke ọra mmadụ. Ha naajụ na mmadụ sitere n'anụmanụ nke bụ otù akụkụ nke òzízí nnwoghapụta ma ha nwere mgbagwojuanya n'òzízí nke nnwoghapụta ahụ banyere nkume dị icheiche ndị asi na ha anọworị ihe dịka nde maọbụ ijeri arọ, bụ ndị achọpụtaworo nime ha "ọkpụkpụ nke énwè nke ghọrọ mmadụ na anụmanụ dị icheiche náadịghị ndụ ọzọ," nke anaasị na "ọ naegosịpụta usoro nke nnwoghapụta."

Otù onye ekwuwo sị na otù mmadụ pụrụ ịbụ onyeòzízí nke nnwoghapụta na OnyeKraist ma ọ bụrụ na o jidesịghị nke ọ bụla nime ha ike. Ọ bụ ihe anaapụghị ime ikwenye òzízí náasị na ihe niile pụtara ndụ na mberede, na o nweghị Onyeòkìkè dị, na mmadụ bụ onye náaga n'iru nke bụ na ọ dịghị ọdịda nke mmadụ dara ma ọ bụ mkpà Onyenzọpụta dịrị ya – ma n'otù aka ahụ náekwenye "na mbu Chineke kèrè elu-igwe na uwa," dịka Baịbụl kwuru na ọ bụ Ya kère.

**Mkwulu**

Òzízí nnwoghapụta ahụ naakụzi na ọbụná Jisọs sitere n'ihe ntà dị n'ụwa pụta. Nime akwụkwọ iheọ̀mụ̀mụ̀ banyere eluụwa na eluigwe, na ihe ndị náetópụta nime ha, nke ụmụntakịrị, otù onye òzízí nnwoghapụta kọwara ụzọ o kwenyere Jisọs si pụta: "Mbụ, ụfụfụ ntà dị n'elu mmiri dị ñarañara nādịghị asụasụ, obo nke akwá nke ndụ dị icheiche …. Ihe náacha akwụkwọ ndụ…. imeghariị arụ nke shellfish …. Esu, arụrụ dị icheiche, azụ, awọ, ngwere, anụ ndịọzọ dị icheiche, énwè, mmadụ mbụ … njèghariị nke Abraham, Ọpụpụ nke Ụmụ Israel, ntópụta nke okpukpé ndị Ju nke kachasị elu rue nwaagbọghọ nke kachasị nsọ bụ, Meri nke Nazaret, Oge hour ahụ abịawo mgbe ụbọchị ọhụụ gaamalite, na ìhè nke ụbọchị ọhụụ ahụ bụ ọ̀mụ́mụ́ nke Jisọs." Nke pụtara na ọ bụrụ na enweghị ihe ahụ náacha akwụkwọ ndụ anyị agaghị enweworị Meri; ọ bụrụ na énwè adịghị anyị agaghị enweworị Abraham; ọ bụrụ na esu adịghị ụwa agaghị amaworị Kraist. Nke a bụ otù nime nkwulu dị icheiche megide Chineke n'ụbọchị ikpèazụ ndịa "We were ebube nke Chineke anāpugh imebi gbanwere oyiyi nke onyinyo madu apuru imebi, na nke anu-ufe na anu ukwu anọ na ihe nākpu akpu di iche iche" (Ndi Rom 1:23).

**Ule Ọbara**

"Ọbara dị mkpà," bụ́ ihe otù onye chọrọ ikwenye na ule ọbara egosipụtawo mnwekọ mmadụ na énwè nwere. Otù onye ihe omimi (science) nke jiri ezi mkpachapụ anya mụọ ihe banyere "ule ọbara sịrị na ọ bụghị ọbara n'ezie ka ndị ahụ lere.

Akwụkwọnsọ naagwa anyị sị, "Ndu nke anu-aru ọ bula; ọbara-ya ka ọ bu" (Levitikọs 17:14). Mgbe egbusịrị ihe bụ isi ndụ nke dị n'ọbara site n'ile ọbara, ndụ adịghị kwa nime ya ọzọ; dịka otù onye maara ihe banyere ihe mmụta dị omimi (science) nkeọma kwuru na ọ dịghị ihe fọdụrụ karịa "nnu di iche iche agbazere na miri – nke ka nke nnu anyị naetinye ná nri." Ya mere ule nke ha naekwusa na ha lere "ọbara" adịghị egosipụta ihe ọ bụla.

Chineke nyere ihe niile ekèrèèkè ndụ na ume, "O we site n'otù onye (ọbara) kè mba niile n'otù n'otù nke madụ, ka ha biri n'elu ụwa nile" (Ọlu Ndi-ozi 17:26). Apụghị isite n'ọbara nwapụta agbụrụ mmadụ si pụta nke náegosipụta ihe Okwu Chineke kwuru na Chineke enyewo ihe niile ndụ na ume, "O we site n'otù onye ke mba nile n'otù n'otù nke madu ka ha biri n'elu uwa nile."

Ana esite n'ọbara mara ụdị anụ ọhịa anụmanụ ọ bụla bụ. Ndị òzízí nke nnwoghapụta na achị Pọl Onyeozi ọchị n'ihi "amaghị-ihe" ya n'ihi na o dere sị: "anu-aru nile abugh otù anu-aru: kama otù anu-aru nke madụ dị, anu-aru ọzọ nke anumanu di kwa, anu-aru ọzọ nke nnunu di kwa anu-aru ọzọ nke azu di kwa" (I Ndi Kọrint 15:39). Ma taa ha naanabata ya na ọ bụ eziokwu nke ndị ihe mmụta dị omimi (science) naadakọta mgbe niile. N'ihi na ọ bụ Chineke nyere ha abụọ.

**Iwu Mendel**

Otù nime ihe nchọpụta dị mkpà nke ihe omimi (science), nke náemesi ndịòzízí nnwoghapụta ike bụ nke anaakpọ iwu Mendel. Ndịòzízí nnwoghapụta naekwenye na site n'ụzọ mgbanwe ntà dị icheiche nke ji nwayọ náaga n'iru nime ọtụtụ arọ̀ "ihe ọhụụ" dị icheiche apụtawo. Baịbụl naagwa anyị na "nkpuru ọ bula di nime onwe-ya"; iwu nke Onye òkìkè bụ iwu nke Mendel na ndịọzọ chọpụtara na ọ bụ nke náalụ ọlụ nime ihe niile dị ndụ. Iwu Mendel naegosipụta na ihe náapụta dịka "ihe ọhụụ" nke náánị njikọta ọnụ nke akụkụ ochie dị icheiche nke "ihe ochie" nke dị nime ihe ndị ahụ dịka ọ dị site n'oge Chineke kèrè ya. Otù nwoke nke maara ihe karịa ndịòzízí nnwoghapụta sịrị, "Ọ dịgh kwa ihe ọhụ dị n'okpuru anyanwu."

Chineke emewo ka ụdị ihe ọ bụla dị ọtụtụ nke ukwuu. Enwere ụdị nkịta dị icheiche ruru irianọ maọbụ iriise (40, 50) ụdị nwamba (pusi) dị icheiche dị irianọ maọbụ karị (40); ụdị ahịhịa ọhịa karịrị puku ise (5,000). Ime ka ihe niile dị ọtụtụ naegosipụta échìchè ọ dị n'iru na ịhụn'anya Chineke banyere ọ dị mma izuike na obiụtọ nke mmadụ.

Ma ụdị icheiche nke ihe ọ bụla abụghị ihe ọhụụ. Chineke akpawo ókè-- "di ka udi ya si di." Omume nke amụtara amụta apụghị ịgafere ụmụ ọhụụ site n'afọ nne ha; ihenchọpụta nke a ekpuwo òzízí nnwoghapụta iru n'ihi na òzízí nke ihe isite n'otù ihe gafe n'ihe ọzọ dị óké mkpà n'òzízí nke nnwoghapụta. Mgbe otù onye nkuzi nke mahadum nke dị na Columbia naachọpụta ihe, chọpụtara ijiji ndị kpuru isi nime ijiji ndịọzọ o mepụtara nime karama dị icheiche o tinyere mmiriara ehi nke ọ dọbara n'anyanwụ. Ya mere ụmụakwụkwọ niile nke náamụ ihe banyere eburupụta ụwa naekwenye n'eziokwu na azụ ndị ahụ anaakpọ "azụ ndị náenweghị anya" ekpughị isi n'ihi na ha anọọla ọtụtụ oge n'ọgba ndịa wee nọgide nime ha n'ihi na ọ bụ ebe mgbaba ha nwere. Ya mere òzízí nnwoghapụta ahụ naasị na azụ ndị ahụ "naenweghị anya" bi n'ọgba ahụ nke gbara ọchịrịchị tufuru anya ha n'ihi ebe obibi ha, bụ ihe achọpụtaworo na ọ bụ ụgha.

Urodi "ọhụụ" bụ nke asịrị na Burbank kepụtara ha bụ ihe ahụrụ site n'iwu Mendel na ha bụ náánị ntopụta ọhụụ dị icheiche nke urodi ochie, nke bụ ijikọta ọnụ ọhụụ nke "ihe ochie" dị icheiche nke dịrị n'urodi ahụ. N'igosịpụta na ọ bụ ihe ọhụụ ndịòzízí nke nnwoghapụta aghaghị ime ka o doo anya na "ihe niile" ahụ nke mere ka ọ bụrụ "ihe ọhụụ" adịghị nime nke ochie ahụ site na mmalite. Nke a ka ha náenweghị ike ịkọwapụta. Iwu Mendel naeguzosiike rue taa, ọzọ ya na Okwu Chineke naadakọrịta: "Chineke we jesịa ozi Ya n'ụbọchi nke asa, bu nke O jere; O we kwusi n'ubọchi nke asa ahụ n'ozi Ya nile nke O jere" (Jenesis 2:2). Chineke kèrè ihe niile ma lụchasị ọlụ Ya niile nke òkìkè. Ma otú ọ dị Ọ bụ Ya naachị kwa ya.

### Amụma na Nnwoghapụta

Iji mee ka "o guzosie ike," nnwoghapụta naadabere n'ọkpụkpụ dị icheiche nke achọpụtaworo n'usoro arọ ha ji dịrị nime ala, nime ugwu dị icheiche na ebe dị omimi nke ala. Usoro ndụ ndị kachasị ntà – eju mmiri na ịsam – ka ekwuru na ha dị nime ebe dịkarịrị omimi na ebe kachasị "ochie" nke ala ma ndị dị ukwuu karị -- anụọhịa bear, enyi ọhịa, ịnyịnya -- bụ ndị anaachọta n'ebe dị n'elu dị kwa "ọhụụ" nke ala. Nke a bụ náánị iheatụ nke ndị òzízí nnwoghapụta mere iji kwagide òzízí ha. Ha áká egwughị ebe kachasị omimi nke ala ichọpụta ebe ọkpụkpụ dị. Ebe dịkasịrị omimi nke egwuworo bụ náánị maịlị iri, ebe anaachọ mmanụ. Ndị náamụ ihe banyere ala na nkume dị icheiche kwenyere na o nweghị ihe ido anya dị n'ịgụ arọ̀ ole nkume gbara. Adịghị achọta ha n'usoro arọ ha gbara si dị. N'akụkụ nke ọzọ n'ọtụtụ ebe dị icheiche ebe ọkpụkpụ wụsara bụ ihe dị iche nke ukwuu n'òzízí nke ndị nnwoghapụta naakpọ nnwoghapụta sitere "ụzọ esi kee" ihe. N'akụkụ ụwa dị icheiche dịka China, Norway, Ndị Alps, Scotland, New York, Tennesse, Georgia, Idaho, Montana, Alberta, na ebe ọzọ dị icheiche ihe ndị ahụ ha naakpọ "ọkpukpu ndi ochie" dị nime "elu-ala ọhụụ" ma ọkpukpu ndị ọhụụ" dị nime "elu-ala ochie." Otù onye naamụ ihe banyere ala na nkume amaara nkeọma kwuru eziokwu ihe dị nime ala, anam ekwupụta ya náatụghị egwù, na o nweghị ihe odide nke ndị náamụ ihe banyere ala na nkume nke nwere otù ihe pụtara ìhè nke kwagidere òzízí Darwin."

### Ijummiri Ahụ

Mgbe ọnọdụ dị icheiche megidere òzízí ha ndị náamụ ihe banyere ala na nkume dị icheiche, ọzọ ha naeji anya ike náasị na eleghịanya óké ntụgharị buliri ugwu ma kwaa ha aka gafe ọtụtụ maịlị gaa n'ebe dị icheiche nwere "adịzịghị adịzi" ndị anyị naahụ́ taa. Otù onye ọzọ nke náamụ ihe banyere ala na nkume kwenyere na ihe òkìkè pụtara ìhè naemegide ụdị ihe dị otú a ime. Ma óké Ijummiri ahụ gaenye ezi nkọwa banyere otú ala na nukme si pụta. Ọ bụghị ihe mgbagwoju anya na mmiriòzùzò nke Chineke zitere n'oge Ijummiri ahụ na óké uju ahụ nke kpuchiri elu ugwu niile, mere ka enwee mgbanwe zuruókè n'eluala n'oge Ijummiri ahụ na nime ogologo oge mgbe ọ gasịrị. N'ihi ọtụtụ mmiri si n'eluugwu dị icheiche náasụda wee náagbanye nime óké osimiri dị icheiche pụrụ irichapụ ndagwurugwu niile, bupụsịa nkume dị icheiche ma gwupụta kwa óké ikpere mmrii, ya na osimiri ntà dị icheiche: "Miri ahu di ike nke uku nke uku n'elu uwa" (Jenesis 7:19).

### Ebe Ọkpụkpụ Wụsara

Òzízí ahụ nke náasị na imeala nke osimiri bụ ihe "ebuliri ebuli" na kwa eluala bụ ihe miriemi bụ ihe ahụrụ na ndị òzízí nnwoghapụta ọtụtụ nde arọ̀ garaaga náaakuzi ma ha enweghị ihe gaakọwa na nke a bụ eziokwu. Ọ dịrị ha mfe ikwupụta nke a mgbe ekwenyere na imeime ala bụ náánị ihe gbazereagbaze. Otú ọ dị, taa ndị ọ̀mụ̀mụ̀ nke óké ihe omimi (Science, Physcis), kwekọrịtara na etiti ala bụ ihe siriike nwee kwa igwe, ọlaọcha, na ọlantà

dị icheiche; ọzọ kwa n’ihi nke a, anaahụ́ nkeọma na nke a bụ otù nime òzízí efu náabaghị n’ihe. Ọ bụ ihe ziriezi ikwenye na ọ bụ óké Ijummiri ahụ mere ka ọkpụkpụ ndị ahụ wụsara n’ebe niile ahụ anaahụ́ ha.

**Ihe Ịdị ka Ha Dị Náaga kwa N’iru**

Mkwenye ahụ niile nke ndị òzízí nnwoghapụta kwere na ụdị ndụ nke dị elu apụtawo site n’ụdị niile dị ala nime nde maọbụ ijeri arọ, na ha ganaaga kwa n’iru náagbanwe otú ahụ, ụdị ọhụụ ewee náenwoghapụta mgbe niile, bụ ngosipụta ihe Akwụkwọnsọ kwuru na mmadụ gaagọnarị ọbịbịa nke Onyenweanyị ma náasị “Òle ebe nkwa nke ọbịbịa Ya dị? N’ihi na site n’ụbọchị nna-ayi-ha dara n’ura ọnwu, ihe nile nādigide dika ha diworo site na nmalite nke òkìkè.” Pita Onyeozi jikọtara ọnụ ngọnarị nke ndị òzizi nnwoghapụta banyere ọbịbịa nke Onyenweanyị na ihe Baịbụl kwuru banyere Ijumiri ahụ mgbe ọ naasị, “N’ihi na nka mere ha nchefu n’ihi na ha nāchọ ya, na eluigwe di site na mgbe ochie, ha na ala nke esitere na mmiri were kwa mmiri me ka o guzokọ n’otù, site n’Okwu Chineke; nke esitere were kwa mmiri me ka o guzokọ n’otù, site n’Okwu Chineke; nke esitere n’aka-ha me ka uwa nke di n’oge ahu la n’iyi, n’ihi na ijummiri rikpuru-ya” (2 Pita 3:5, 6).

**Ihe Anwapụtara nke Dịrị Oge Niile**

Ọtụtụ narị òzízí ụgha adịworị ma taa ezi ndị mmụta nke ihe omimi (science) naagụ ha n’ihe efu. Baịbụl eguzogidewo ibuso agha nke ndị eze, ndị amụma ụgha, ndị ụgha nke ihe omimi (fasle science) na ndị naekwenyeghị na Chineke dị. Taa òzízí nnwoghapụta bụ ihe asịrị na “ esiwo n’isi nwụọ,” ndi amaara aha ha n’ezigbo ndị mmụta nke ihe omimi (true science) ledakwara ya anya. Dịka ezi ndị mmụta nke ihe omimi (true science) naaga n’iru, Baịbụl bụ ihe achọpụtaworo na o guzoziri n’ụzọ nke ezigbo ihe mmụta nke ihe omimi (true science) na mkwupụta ya niile. Edere Baịbụl site ná mkpali nke Mmụọ Nsọ na amamihe ha nwere banyere mmụta nke ihe omimi (Science), Mmụọ Nsọ nọ kwa mgbe ekèrè ihe niile. “Mọ Chineke nērughari kwa n’elu miri.”

Akụkụ nke Baịbụl banyere òkìkè naagwa anyị banyere mmalite nke mmadụ. “Chineke we ké madu n’onyinyo-ya” (Jenesis 1:27). Onye naezi òzízí nnwoghapụta nwereike ịtụgharị uche náání ihe mmalite nke mmadụ “gaabuwori” maọbụ ịsị na ya amaghị. O werewo onye naezi òzízí nnwoghapụta nde maọbụ ijeri arọ ọlụzuru ọlụ nke nchepụta uche ya. Ma o weere Chineke náání ụbọchị isii nke iri hour abụọ na anọ nime otù ụbọchị site n’Okwu ọnụ Ya mee ka ihe niile ekèrèèkè dị “Okwu JEHOVA ka ejiri mee elu-igwe; eji kwa-ra iku ume nke ọnụ Ya me usu-ha nile (Abù Ọma 33:6).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị mere ndị náagọnarị Chineke na ndị ọchị jiri nwee
2. mmasị ná mmalite nke mmadụ karịa n’arọ ole ụwa gbara
3. Gịnị mere na òzízí ahụ nke ọgbọ malitere na mberede ji
4. bụrụ ihe nzuzu?
5. Gịnị gaakọwa ọnọdụ dị icheiche nke nkume?
6. Òlee isiokwu dị mkpà atụfuru n’ile ọbara?
7. Òlee okwu nke Pọl Onyeozi anwapụtaworo dịka eziokwu dị ukwuu nke mmụta nke ihe omimi (Science)?